# Nnyocha mmebemusoro aha ebe n' Owerre-Ezukala Igbo

**Ekejiuba, G. U., Ahamefula, N. O.**
*Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naịjịrịa Ndị Ọzọ,*
*Mahadum Naịjirịa, Nsụka*
*ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng*

&

**Ezemoka, Augustina**
*Ngalaba Igbo Koleji Edukeshọn Federal Kapital Teritori, Zuba, Abuja*

**Ụmị**
Nchọcha a lebara anya n'aha ebe n'olu ndị Owerre-Ezukala Igbo site n'ịgbado ụkwụ na mmebemusoro. O nyochara aha ebe n'olu ndị Owerre-Ezukala iji kpebite na nghọta aha ebe n'asụsụ na-esite na mmetụta mmebe okwu, usoro okwu na echiche n'ebe ọ dị ukwuu. Atụmatụ ọnọmastik metụtara ọmụmụ aha aka na aha ebe. Ụfọdụ aha ebe n'olu ndị Owerre-Ezukala Igbo na-esite n'usoro a haziri ahazi iji chekwaa nghọta ya. Nchọcha ji atụmatụ nkenụdị aha ebe Tent & Blair rụọ ọrụ iji nyochaa ndokọ mmebe okwu na usoro okwu ụfọdụ aha ebe. E ji usoro sampụl tụmbọm tụmbọm wee nweta data site n'ajụjụ ọnụ. Dị ka okwe si gbaa, a chọpụtara na ntụcha mmebe okwu ụfọdụ aha ebe n'olu ndị Owerre-Ezukala Igbo nwere ike ịbụ otu mọfịm dị ka 'ozu' (ugbo/ubi), ama dị ka 'Ishiahọ' (isi ahịa), mgbakwunye ụtọ asụsụ dị ka 'Ụmụndam' na myịabụọ dị ka 'Ishishi' (onye kachasị mee okenye). Nchọcha chọpụtakwara na ụfọdụ aha ebe dị ka Obunagụ, Ọgbanelu, Ụmụerum, n'ogo ahịrị okwu nwere ike ịrụ ọrụ dị ka ahịrị nkwusa, ajụjụ na ntimiwu. Ọrụ a kwadoro atụmatụ nke kwuru na e nwere ike ịgbaso usoro mmebemusoro mụọ aha iji gosi aha ebe, akụkọ gbasara ha na ntụcha kelingwistiiks.
***Ọkpụrụkpụ okwu:*** *aha ebe, onomastiks, mmebemusoro, mọfịm mfe, aha ebe nha, mgbakwunye ụtọ asụsụ, myịabụọ,*

**Abstract**
The paper studies toponyms in Owerre-Ezukala lect of Igbo from a morphosyntatic perspective. It examine place names in Owerre-Ezukala lect of Igbo to establish the facts that some toponyms are given in a particular language whose morphology, syntax and semantics inform their meaning to a great extent. Given that Onomastic framework involves the study of personal names and place names. Some toponyms in Owerre-Ezukala lect of Igbo are formed through systematic processes to preserve their meaning. The paper adopts the theoretical framework of Tent and Blair's toponymic typology to examine the morphological and syntactic structures of some place names. Random sampling technique is employed to gather data through interviews. The results reveal that morphological analysis of some place names in Owerre-Ezukala lect of Igbo can be single root morpheme like 'ozu' (farmstead), compound like'Ishiaho'(head of the market), inflection like 'Umundam'(children of Ndam), and reduplication like'Ishishi'(eldest). The study also ascertains that some place names such as 'Obunagu','Ogabanelu','Umuerum' at the sentential level can function as statements, interrogatives, and imperatives. The work supports the theory that names can be studied through morphosyntatic perspective to show place names, their history and linguistic analysis.
***Keywords:*** *Toponymy, onomastics, morphosyntatic, single root morphemes, compound toponyms*

## Mkpọlite

E nwere ụdịrị ụwa atọ: ụwa a na-ahụ anya, ụwa echiche, na ụwa ndịna echiche, nke gunyere mmepụta mmụọ mmadụ nke asụsụ so n'ime ya. Inye ihe aha so n'ihe mejuputara mmadụ. Ihe dị ịtụnanya bụ na ọtụtụ ndị mmadụ nwere ikike iji asụsụ n'ụzọ dị mma, nye ebe aha, nyekwa ndị mmadụ na ihe aha, n'agbanyeghị na ha amaghị iwu usoro okwu ma ọ bụ nghọta. Etu mmadụ si enye mmiri, ugwu, ndagwurugwu, obodo na gburugburu ya

aha na-arụtụ aka etu o si eche echiche na etu o si ebi ndụ tinyekwara ihe mmụọ ya na akọnuche ya na-emepụta dị ka ọ na-ahụta nghọta dị n'emereme, ihe anaghị ahụ anya na mmekọrịta dị n'etiti ihe ndị a. Ịgụ aha abụghị naanị inye ihe aha nke ndị ọsụ asụsụ na-eji amata ihe ha na-arụtụ aka n'ụwa mmadụ ma ọ bụ omenanrọ. Ọ bụ akụkụ dị oke mkpa nke ọdọ akparamagwa asụsụ obodo ọ bụla.

Toponimi bngalaba onomastiks nke metụtara ọkpụrụkpụ ihe atọ: akụkọ ala, ọdịdị ala (jiografi) na asụsụ. Toponimi bụ ọmụmụ aha ebe. Ọ na-ekpughe njirimara ndị, akụkọ ala ha, na ihe gbasara ọchịchị ha. Toponimi na-ewete usoro nrụtụ aka ọdịdị ala kachasịnụ n'ụwa. Nke a na-enye aka ịhụ na enweghi nghọtahie n'ịmata ebe. Ebumnuche nchọcha a bụ inyocha aha ebe n'olu ndị Owerre-Ezukala Igbo. Nchọcha a na-achọkwa ịchọpụta usoro okwu aha ebe ndị a site na ndokọ.

Owerre-Ezukala bụ olu ndị a na-asụ n'okpuru ọchichị ndịda ugwu Orumba, Steeti Anambra, Naịjirịa. Igbo so n'asụsụ Niger-Congo a na-akpọ ezinụlọ Kwa. Dị ka akụkọ sị kọọ, Ogbambiaka, nna Owerre, si n'Owerri dị na steeti Imo bata. Nwa nwoke ya mbụ bụ Ezukala. Owerre-Ezukala dị ka obodo nọ n'oke ọwụwa anyanwụ Awlaw na oke ọdịda anyanwụ Ụmụakụ n'okpuru ọchịchị Ụmụnneochi na steeti Abịa. Ọnụ ọgụ ndị bi n'Owerre-Ezukala dị ihe ruru puku iri atọ. Owerre-Ezukala nwere ogbe asatọ ndị gụnyere; Oghohota (nke tọcharanụ ebe Ishishi dị), ndị ọzọ na-esote ya bụ Okpu, Ihie, Iyiahọ, Ishiahọ, Ogwuada, Leete, na Mkputu. E ji ugwu, osimiri na ọgba dị ka Ọgbaukwu (otu n'ime ọgba dị na steeti Anambra) wee gọzie Owerre-Ezukala.

## Ntụleghari agụmagụ ọkpụrụkpụ okwu

Toponimi metụtara ọmụmụ nsiripuru na mpụtara aha ebe (Cano, 2008). Cresswell (2004) kwuru na mgbe mmadụ na-atụnye nghọta n'obere ohere bịazie mee ka ihe ahụ na nghọta ahụ nọkọta (otu ụzọ e si agụ aha) ọ na-abụ ebe. Dị ka Radding & Western (2010) si kwuo, a na-ama ụma enwe aha ebe iji nye nghọta: ha bụ ihe a na-echemi uche ma ọ bụrụ ihe a na-ahụta nke ọma dị ka 'akara' maka na ha nwere ụdịdị nghọta karịrị mkpụrụ okwu nkịtị. Klugah (2013) nyochara aha ebe dị ka akọrọngwa e ji echekwa akụkọ ala maka otu ndị mmadụ, ya bụ ịmụ aha ebe gunyere ịnwa ịza ajụjụ ndịna (wh question) dị ka kedu ihe a na-agụ aha? Kedu ebe ọ nọ? Onye gụrụ ya aha? Kedu mgbe a gụrụ ya aha? Gịnị kwa kpatara e jiri nye ya ụdị aha ahụ?

E nwere ike ịsị na ụdịdị aha ebe malitere na ngwụcha 1970 site n'ọrụ Stewart (1975), Baker & Carmony (1975), Glaser (1994), Smith (1998) na ndị ọzọ. Ọrụ ndị a tinyekwuru ihe na nchọcha bu ha ụzọ dị ka Tent & Slatyer (2009) siri kwuo. Nkenụdị Baker & Carmony (1975) bụ ntowanye ọrụ Stewart. Ha webatara ụdịdị/nkenụdị ọhụrụ atọ ndị na-adịghị n'usoro Stewart. Nkenụdị Baker & Carmony gunyere aha mmadụ, , aha ebe ndị ọzọ; aha ọnọdụ, aha nkọwa, aha njali mmụọ, aha ọtọmọchị, aha ndị India na nke yitere ya, aha si n'asụsụ ọzọ belụsọ Bekee, aha emereme, nsiripuru akụkọ ifo, aha a kpụrụ akpụ, aha mmehie, aha odogwu. A katọọla ọrụ Baker & Carmony (1975) maka na ha ji okwu na-edochaghi anya nke na-eme ka e nwee nkenụdị na-apụta ihe ebe nkenụdị ọzọ nọ; otu na mperi a chọpụtara na mpụta ihe dị n'etiti nkenụdị ndị a bụ (i) aha nkọwa (ii) aha ndị India na nke yitere ya (iii) aha si n'asụsụ ọzọ belụsọ Bekee.Mperi a chọpụtara ebe a bụ na nkenụdị atọ ndị a niile nwere ike ịbụ nke nkọwa n'udị nke na-enye ohere ka o kwe omume ime ka otu aha ebe sonye na nkenụdị atọ n'otu oge. Nke a na-eme ka ọ hịa ahụ ikpebi mgbe otu nkenụdị na-enye aka ịkọwa otu ụdị aha ebe. N'ihi nke a, nkenụdị Baker & Carmony (1975) siri rie mperi n'ikewa n'ụzọ doro anya nkenụdị ndị a. Akatọkwaala

nkenụdị ndị ọzọ maka na ha na-arụtụ otu akụkụ aka kpọmkwem ma ọ bụkwanụ na ha tinyere anya naanị n'otu ụdị aha ebe ma ọ bụ na ihe mgbagharịị dị na ha buru ibu.

Cresswell (2004) chọpụtara ogo ọzọ na ntụcha ndokọ aha ebe nke ọ kpọrọ ntụcha okwu – mmebe okwu. Na ntụcha a, aha na mmebere aha ka a na-eji akụkụ nke ngosipụta kelingwistiiks dị ha n'ime wee mee nnyocha. Dị ka o si kwuo, ịkọwa usoro aha ebe pụtara inyocha adịmụmfe etu e si enweta nkenụdị nrụ ọrụ-nghọta site n'ụzọ okwu na mmebe okwu. Isi sekpụ ntị na ntụcha okwu-mmebeokwu bụ mmebere aha; nke nwere ike ịbụ mgbakwunye nsirimmebe na nsirinweta ndị na-eso emebe aha. Klugah (2013) nyere ntụcha nke akọmakọ nkwagharị Asogli. Nchọcha ya chopụtara na aha ebe bụ akọrọngwa e ji echekwa akukọ ala, ebe ọ bụ na a na-eji ha enye ụfọdụ emereme dị mkpa n'uzọ nkwagharị akara. Usoro lingwistiiks o ji gosiri na aha ebe akọmakọ nkwagharị Asogli ewetala ọtụtụ ndokọ usoro okwu ọnụ site n'usoro nnyakọ. Nchocha ahụ ji usoro toponimi Tent & Blair wee nnweta ozi gbasara akụkọ ala nke sayensị aha ebe dị ka o si dị n'akọmakọ nkwagharị Asogli nke ogbe Volta.

Usoro Tent & Blair (2011) bụ usoro kacha dị ọhụrụ nke nkenụdị aha ebe dị ka ọtụtụ ndị mmụta si hụ ya. Nke a bụ maka na ikike usoro ya dabeere n'akparamagwa odido anya ya na ike itinye ya n'ebe ọ bụla. Nke a gosiri na Tent & Blair (2011) na-agba mbọ ime ka usoro ha bụrụ ozurumbaọnụ nke e nwere ike iji tụchaa aha ebe ọtụtụ ndị mmadụ na omenaala dị iche iche. Ha mara usoro dịbu adị aka n'ihi na ha emezughi ihe abụọ dị oke mkpa. Nke mbụ bụ dị ka o si metụta Baker na Carmony (1975) dị ka e si kwuputa n'elu, Tent & Blair na-enwe mmetụta na usoro dịbu adị enweghi odido anya n'ihe gbasara itinye aha ebe n'ebe ọ bụla.

Atụmatụ Tent & Blair gbadoro ntụcha aha ebe ha ụkwụ n'ogo atọ gbara ọkpurụkpụ ndị gunyere ụdịdị, usoro ngụmaha na mbutere aha. Ụdịdị metụtara mmebere nhanọha (jenerik) aha ebe. Kwa mgbe agwara ọdịdị ala na-apụta ihe na-emetụta mmebere nhanọha (Tent & Blair, 2011:2). Ọmụma atụ, aha ebe dị ka Osimiri Murray, 'Osimiri' na-arụ ọrụ dị ka mmebere nhanọha n'aha ebe. Ogo nke abụo bụ usoro ngụmaha nke gunyere ọkpụrụkpụ sayensị asụsụ dị n'aha ebe, nke na-atụle mmebere mmebe okwu, usoro okwu, nghọta n'aha ebe. Ogo nke atọ na-ahụ maka njali mmụọ kpasuru aha ebe nke metụtara mmebere aha ebe kpọmkwem. Ogo na-etinye ntụcha na mmụọ ọgụụ aha ma chee banyere nsipụta na uru aha ahụ na ọgụụ aha. Dị ka o si dị ebe a, ihe kpatara e ji gụọ Osimiri Murray nwere ike ịbụ na onye a na-akpọ Murray biketere Osimiri ahụ, ọ bụ ya butere aha a. Site n'ogo ntụcha, Tent & Blair kwenyere na mmadụ nwere ike imebe nkenụdị dị ire naanị site n'iwete ndị-iche n'etiti otu mmebere na mmebere nhanole na ịchọpụta ndịna lingwistiiks (mmebe okwu, usoro okwu, na nghọta) nke nkenụdị dị ka ụzọ na-achịkwa ịgụ aha (Klugah 2013). Mmekọta ọnụ nke ogo atọ ndị a, Tent na Blair kwesiri ịmịta ezigbo mkpụrụ na ntụcha aha ebe na ezigbo nkewasị aha ebe.

## Nchọcha e merela gbasara aha

Maduagwu (2010) gbadoro ụkwụ na mmebe okwu nghọta nke aha aka n'asụsụ Igbo. Ebe e nwetere data bụ n'olu ndị Ogbahụ Igbo. Nchọcha chọpụtara na aha aka Igbo gunyere ma okwu mfe ma nke nsirimmebe ọ kachasị aha nha nke na-adịkarị nnukwu. Nchọcha gosiri mmalite ọrụ e mere n'aha aka Igbo nakwa mmetụta mmebe okwu, fọnọlọji, okwu asụsụ, usoro okwu na nghọta. Nchọpụta gosiri na aha aka abụghị naanị ihe e ji amata ihe; ha gunyere ogo aha nha pụrụ iche, e nwetere na mbịakọta ọnụ mkpụrụ okwu nke nwere o

pekata mpe mmebere abụọ. Aha ndị ahụ abụghị naanị mmekọta okwu ọnụ; ha nwere mpụtara omenala na obodo, na nghọta dị n'ime ha.

Udoye & Ufoegbu (2011) lebanyere anya n'aha aka ndị Ọka site n'ịgbado ụkwụ n'etu ha si emebe aha. Ha gbadoro ụkwụ n'aha dịịrị Chukwu ma chọpụta na aha Ọka ndị a metụtara Chukwu na-amụba nelụsọ n'ụfọdụ ọnọdụ. Agbo (2014) tụlere agwara mmebemusoro na usoro mmebe aha nke aha aka Igbo iji tinyere uru mmanye n'ọdịnala na omenala Igbo. Dị ka o si kwuo, aha Igbo nwere mọfịm mmanye n'ụdịdị aha mkpụrụ okwu ha. Mọfịm ndị a gunere funa, gbo, gbu, na, me, kwu, na kwe. Ha na-egosi nghọta mmanye mgbe a gbakwụnyere ya n'aha ma ọ bụ nkebi ahịrị. Mmebe aha nke aha aka Igbo e mekọtara ọnụ nwere nghọta mmanye na nkọwa ndịnorụ na omenala Igbo.

Iwundu (1994) chọpụtara na nghọta juputara n'aha maka na aha n'omenala mba ụwa so n'omenala na asụsụ rijuru afọ. Dị ka Iwundụ (1994) siri kwuo, a na-enwe aha maka ngosipụta obodo, ha bụ nzipụta obi aṅụrị ndị mmadụ ebe ha bụ akọrọngwa e mere nke ọma nke na ọ na-asị ndị mmadụ iji ya n'ụzọ dị iche iche mgbe a na-asụ asụsụ.

Okoye (2013) kwuputara na aha aka so n'otu mpaghara izugbe asụsụ dọtarala mmadụ dị ka ndị ọmụmụ omenala na asụsụ. Nchọcha ya gosiri na amụmamụ omenala Igbo na ndị China, anaghị enye aha na nkịtị. N'agbanyeghi na mmebere mmebe okwu aha dị iche n'asụsụ n'asụsụ, ha na-enye ezigbo nkọwa gbasara ihe mere mgbe a mụrụ mmadụ, akụkọ gbasara ezinụlọ, ihe ọma meere ndị nne na nna dgz. Ịgụ aha so n'isi sekpụ ntị n'ọmụmụ omenala. Nchọcha chịkọtara ọdịnala ngụmaha n'etiti ndị Igbo na ndị China yitere ma a tụlee ha n'usoro omenala, asụsụ na nkwenye.

Owu-Ewie (2014) tụlere ndokọ mmebe okwu na usoro okwu aha ebe obibi Fante ruru otu narị na iri ise. Ntụcha kemmebe okwu gosiri na aha ebe obibi Fante nwere ike ịbụ nha otu ogwe na myịabụọ ma rụkwaa ọrụ dị ka nkwusara, njụ ajụjụ, na ntimiwu n'ogo ahịrị okwu.

Site n'ihe niile e kwuru n'elu, nchọcha a na-achị ime ntụcha mmebemusoro aha ebe n'olundị Owerre-Ezukala Igbo ebe ọ bụ na e nweghị ọrụ dị otu a e merela n'olu ndị Igbo a.

**Atụmatụ e ji rụọ ọrụ**

Nchọcha a ji nkenụdị aha ebe Tent & Blair (2011) were rụọ ọrụ. Atụmatụ a tụpụtara usoro nkenụdị itoolu maka ikewa aha ebe. Usoro nkenụdị itoolu a gunyere:

i. Ụdịdị nkọwa
ii. Mmekọrịta
iii. Omume
iv. Ntụle
v. Nhapụ
vi. Ama ala
vii. Abamaha ihe (eponymous)
viii. Lingwistiiks kenkepụta
ix. Ezighi ezi

Nchọcha gbadoro ụkwụ na nkenụdị nke asatọ nke metụtara nhazigharị okwu na ntọmọchị naanị na-etinyeghị anya n'usoro nhazigharị asụsụ ndị ọzọ. Nhazigharị asụsụ gunyere usoro mmebe okwu dị iche iche asụsụ si emepụta mkpụrụ okwu o ji arụ ọrụ, ya mere ụdịrị usoro a gunyere; nchabi, mmenha ma ọ bụ nnyakọ na mbite (Klugah 2013). N'ihi usoro ndị a, uru alo Tent & Blair na-atụnye dị na nkenụdị na-asọpụrụ asụsụ niile

n'ihi na ha na-emepụta okwu. Ọ bụ n'ihi nsọpụrụ ozurumbaọnụ maka agwara kemmepụta asụsụ mere o ji dịtụ mma na ntị ịrụ ụka na aha ebe n'asụsụ dị n'iche n'iche (Radding & Western 2010). Nke a pụtara na ndokọ fọnọloji, mọfọlọji na usoro okwu asụsụ ọ bụla nwere ike ikpebite ụdịrị aha ebe ya. Ya mere, ntụcha aha ebe ọ bụla ga-amata ndokọ ndịna lingwistiiks asụsụ n'ebe aha ebe ahụ siri pụta. N'agbanyeghị na nchọcha a ji nkenụdị nke asatọ rụọ ọrụ na ntụcha ya, nkenụdị a nwere ụfọdụ ihe mkpọbi ụkwụ maka na nkenụdị na-akọwa ngwakọma, nhazighari okwu na ọtọmọchị dị ka mmebere ya na-akọwaghị etu o si zuo mba ọnụ dị ka o si na-ekwu (Klugah 2013). Ya mere, nkenụdị nke asatọ Tent & Blair kwesiri ka e tinye ọmụma atụ ndị ozọ iji gosi adịmịre nhanọha ya karịa aha ebe ndị Australia.

**Usoro Nchọcha**

Usoro nchọcha bụ nke nkọwa nke gunyere ntụcha mmebemusoro aha ebe n'olundị Owerre-Ezukala. Data e ji mee nchọcha bụ nke praịmarị na sekọndịrị. Usoro nchọcha sampụl tụmbọm tụmbọm ka e ji iji hụ na otu njimee nchọcha ọ bụla nwere ohere ịbụ nke a họọrọ. A gbara Ichie Godson Chukwujiụba onye gbara ihe dị ka afọ iri asaa na ise ajụjụ ọnụ, o nyekwara ọchọcha akwụkwọ ebipụtaghị ebipụta o wetara na 1982 site n'ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị okenye atọ; Mz. Ernest Nwankwọ, Ichie N. O. Ibe, na Simon Madụakọr (ndị larala mmụọ). Ichie Chukwujiụba bụ onye Iyiahọ. E nwere ajụjụ ọnụ a gbara Nze Okey Ajaebo n'ekwentị onye gbara afọ iri ise na atọ ma si n'obodo Leete; onye nke ikpe azụ bụ Malachi Njama onye gbara afọ iri anọ ma si n'obodo Ihie. Ajụjụ ọnụ ndị a nyere aka ikpokọta akụkọ ala gbasara aha ebe n'Owerre-Ezukala. Usoro nchọcha bụ nke nkọwa ebe ntụcha mmebemusoro bụ nke e ji rụọ ọrụ na nchọcha iji chọpụta ndokọ ndinokpuru mmebe okwu na usoro okwu aha ebe ndị a. Ọ pụtara na n'ịghọta aha ebe, mmadụ ga-elebanye anya nke ọma na ndokọ ndịnime mkpụrụ okwu nakwa ndokọ usoro okwu nke mebere aha ahụ ewezuga ngalaba asụsụ na obodo, obodo na omenala, akụkọ ala na asụsụ na omenala.

Nchọcha a jikwa usoro njikọ mkpebi na ekereuche maka ntụcha data iji kewaa ma dekọọ aha ebe n'okpuru nkenụdị mmebe okwu na usoro okwu dị ka e si hụta n'Owu-Ewie (2014) ebe aha ebe obibi Fante ka a tụlere n'ogo mmebere mmebe okwu na usoro okwu. Mmebere mmebe okwu na-ahụ maka ndokọ ndịnime mọfịm ọ bụla mebere aha. Nke a nyere aka ịchọpụta usoro mmebe okwu pụtara ihe. N'aka nke ọzọ, mmebere usoro okwu na-ahụ maka ụdịrị orụ na ndokọ aha ebe obibi Fante n'ogo ahịrị okwu. Ya bụ, igosipụta aha ebe obibi kpọmkwem nke bụ nkwusa, njụ ajụjụ, mfe, nha ma ọ bụ ahịrị mgbagwọ.

**Ntụcha Data**

Ọ dị mkpa ibu ụzọ kewapụta nkenụdị gbadoro ụkwụ na otu mmebere na nke nhanọha na mmebere lingwistiiks (d.k mọfọlọji, usoro okwu na amụmechiche) aha ebe na usoro kpatara e ji gụọ aha maka ezigbo aha ebe n'olu ndị Owerre-Ezukala site n'ilebanye anya na mmebere mmebe okwu na usoro okwu. Mmebere mmebe okwu na-ahụ maka ndokọ ndịnime mọfịm ọ bụla mebere aha ahụ. Nke a nyere aka ịchọpụta usoro mmebe okwu e ji rụọ ọrụ. Mmebere usorookwu okwu metụtara ụdịrị ọrụ na ndokọ aha ebe Owerre-Ezukala n'ogo ahịrị okwu. Ọ na-egosi ma otu aha ebe ọ na-arụ orụ dị ka ahịrịmfe ka ọ bụ ahịrị nha.

**Ntụcha mmebe okwu aha ebe Owerre-Ezukala**

A tụchara aha ebe n'usoro mmebe okwu n'okpuu mmebere ndị a: mọfịm mfe, nha na mgbakwụnye nsonazụ

**Mọfịm mfe**

| | | | |
|---|---|---|---|
| i. | da | - | ime obodo |
| ii. | Òzù | - | ubi, oke ọhịa |
| iii. | Íkpā | - | oke ọhịa |
| iv. | s | - | aha osimiri |
| v. | Òbòdò | - | ama obodo |
| vi. | hr | - | ubi, oke ọhịa |
| vii. | gbt | - | aha ime obodo |
| viii. | kp | - | aha ime obodo |
| ix. | Úpátá | - | aha osimiri |
| x. | zz | - | ụmụnna |
| xi. | tár | - | okwu arụsị |

N'iji atụmatụ Tent & Blair (2011), ogo mbụ na-atụnye alo na e kwesiri ịchọpụta mmebere aha ebe. Aha ebe (i-xi) nọ n'elu na-egosi na ihe mejupụtara nke ọ bụla bụ otu mmebere ebe ogo nke abụọ na-ahụ maka mmebere lingwistiiks aha ebe nke pụtara mmebe okwu, usoro okwu, na nghọta aha ebe. Aha ebe ndị dị n'elu bụcha aha nwere nghọta nke aka ha. Ogo nke atọ Tent & Blair (2011) bụ mkpatara aha. Data dị n'elu na-arụtụ aka na ụfọdụ aha ebe bụ aha mfe nke e nwere ike inye nnọọ ebe na-aza ha. Ihe mejuputara ha bụ otu mọfịm nwere nghọta pụrụ iche. Agaghị ekewadanwu aha ndị a. Nkewada ha ga-ewepụ nghọta mkpụrụ okwu.

**Aha ebe nha**

| Ọn | Aha ebe | Ntụcha mmebeokwu | Nkọwa na Bekee | Nkọwa n'Igbo Izugbe |
|---|---|---|---|---|
| 1. | Íyíàh | Íyí + àh | Stream + market day | Osimiri nọketere ahịa |
| 2. | Íshíàh | Íshí+ àh | Head + market day | Isi ahịa |
| 3. | Ìshíshí | Ìshí+ íshí | Head + head | Onye isi ma ọ bụ onye kachasị mee okenye |
| 4. | Èkéfádá | Èké + fádá | Market day + catholic church | Ahịa nọketere ụka ndị katọlik |
| 5. | Úgwúlètó | Úgwú + lètó | Hill + personal name | Ugwu Lètó |
| 6. | Úgwúàùlá | Úgwú + àùlá | Hill + personal name | Ugwu nọketere ụlọ Àùlá |
| 7. | Úgwú Léētē | Úgwú +Lé + ētē | Hill + personal name | Ugwu dị n'obodo Leete |
| 8. | gbàúkwú | gbà+ úkwú | Cave + big | Nnukwu ọgba |
| 9. | Ógúmèíyī | Ógúmè + íyī | Village + stream | Mmiri Ógúmè |
| 10. | Òwérré-Ézúkálà | Òwérré-Ézú+ ká+ àlà | Path way + lake + big + land | Ụzọ na ezu karịrị ala |
| 11 | Égbéág | Égbé + ág | Eagle + forest | Ndị bị n'ọhịa |
| 12 | Úgwúósú | Úgwú+ ósú | Hill + Stream | Ugwu nọ tupu mmiri |
| 13 | Úgwúgírī | Úgwú + gírī | Hill + stream | Ugwu nọ tupu mmiri |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 14 | míritar | mírí + tar | Stream + shrine | Mmiri nọ n'ime okwu arụsị |
| 15 | Íyír | Íyí+ r | Stream + clay | Iyi ụrọ |
| 16 | Ìnyíhìè | Ìnyí + íhìè | Town + village | Agburụ Inyi(obodo dị n'Oji-River) bịara biri n'obodo Ihie |
| 17 | Íyígbà | Íyí + gbà | Stream + cave | Mmiri si n'ọgba asọpụta |
| 18 | Íyíókóró | Íyí + ókóró | Stream + boy | Iyi maka ụmụ nwoke naanị |
| 19 | Úgwúòzù | Úgwú + òzù | Hill + farmstead | Ugwu nọketere ubi |
| 20 | Òbùlòzù | Òzù + bù+ lò+òzù | People + live + in + farmstead | Ndị bi n'akụkụ ubi |

Ogo nke mbụ Tent & Blair (2011) na data nọ n'elu gosiri na ọtụtụ aha ebe nha nwere mmebere nke e nwere ike ikewa dị ka o si dị na kolum nke atọ na ntụcha mmebe okwu belụsọ ọmụma atụ nke asaa nke nwere mmebere atọ ebe nke iri na nke iri abụọ nwere mmebere anọ. Ogo nke abụọ na data dị n'elu gosiri na ụfọdụ aha ebe Owerre-Ezukala nwere mmeha nke nwere ogwe abụọ ma ọ bụ atọ. Nke a kwadoro nkenụdị asatọ n'ime nkenụdị itoolu Tent & Blair tụpụtara nke gbadoro ụkwụ na ngwakọma, nhazigharị na ntọmọchị naanị ewezuga usoro nhazigharị asụsụ ndị ọzọ. Nhazigharị asụsụ a metụtara usoro mmebe okwu dị iche iche e si enwete mkpụrụ okwu asụsụ ji arụ ọrụ. Usoro a gunyere nchabi, mmenha, ma ọ bụ nnyakọ na mbite. Nkenụdị e ji rụọ ọrụ na nchọcha a bụ ikewa mmenha ebe ọtụtụ aha ebe bụ aha ndị nwere nghọta nke aka ha mejuputara ha. Ụdịrị nkenụdị ndị a nwere ụdịrị ngwakọ ndị a iji mebe mmenha; aha + aha; nkọwa aha + aha; na aha + ngwaa + mbu ụzọ + aha. Ọmụma atụ gunyere:

i. Èkéfádá ⇒ aha + aha
ii. gbàúkwú ⇒ nkọwa aha + aha
iii. Òbùlòzù ⇒aha + ngwaa + mbu ụzọ + aha
iv. Iyiụrọ nkọwa aha + aha
v. Ishishi ngwaa + nkwuwa

Ogo nke atọ: nke na-akọwa mpụtara aha ebe na ihe butere ịgụ aha ebe ndị a . Data nọ n'elu na-egosi na ọmụma atụ 5, 6, 7, 16 bụ aha ebe ndị nwere aha ndị guzobere ya. Ugwuleto malitere n'ihi nwoke a na-akpọ Leto bi n'ugwu ahụ, ọ bụ ya mere e ji baa ugwu ahụ aha ya; etụ ahụ ka ọ dịkwa Anụla n'Ugwuanụla. Ekefada malitere n'ihi na mgbe ụka katọlik bịara n'Owerre-Ezukala, e nyere ha otu ala n'akụkụ ahịa Eke; ọ bụ ya mere e ji nye ya aha Ekefada ruo taa n'ihi ụka ahụ chere ahịa ahụ ihu. Inyihie bụ agbụrụ obodo Inyi n'Oji River ndị kwagharịrị birizie n'obodo Inyi. Dị ka o si metụta Ọgbaukwu, ọgba ahụ buru ibu nke kpatara e ji nye ya aha ahụ; etu ahụkwa ka ọ dị Iyiụrọ nke bụ mmiri dị urọ ụrọ.

**Mgbakwụnye ụtọ asụsụ**

Mgbakwụnye bụ usoro e ji etinye mọfịm mgbakwụnye ụtọ asụsụ na mkpụrụ okwu nke na-enye nghọta grama (ọmụma atụ; keesi, ọnụ ọgụ, pesịn, onwunwe, jenda, olu, muud, tensị, na mma ahụ.) Mgbakwunye ụtọ asụsụ na-arụ ọrụ na mmebe mkpụrụ okwu. O nwere ike ịbụ nke mmebennweta na mgbakwụnye ụtọ asụsụ.

| ỌN | Aha ebe | Ntụcha mmebe okwu | Mmebere | Nkowa n'Igbo |
|---|---|---|---|---|
| A | Úmùèrúm | Úmù + èrú + m | Ọnụ ọgụ + aha + aha | Ụmụ eruola m |
| B | Úmúdàm | Úmú + dàm | Ọnụ ọgụ + aha | Ụmụ dàm |
| CH | Nwángèlèkpútù | Nwá + ngèlè +kpútù | Onwunwe + aha | Obere mmiri dị na kpútù |
| D | Nwágèlèìyèlè | Nwá + gèlè + ìyèlè | Onwunwe + aha | Obere mmiri dị n'ìyèlè |
| E | Nwágèlèhrgà | Nwá + gèlè + hr + gà | Onwunwe + aha | Obere mmiri dị n'akụkụ ugbo |
| F | Ímōgwūádá | Ímò + ògwúàdà | Onwunwe + aha | Mmiri Imo n'obodo Ògwúàdà |
| G | Ímòíhè | Ímò+íhíè | Onwunwe + aha | Mmiri Imo n'obodo Ihie |
| GB | Ímòléété | Ímò +lé + été | Onwunwe + aha | Mmiri Imo dị n'obodo Léété |

Ogo nke mbụ n'ebe a gosiri na aha ebe nwere mmebere atọ ma ọ bụ anọ nke e nwere ike ikewa dị ka o si dị na kolum nke atọ na ntụcha mmebe okwu nọ n'elu. Ogo nke abụọ Tent & Blair gosipụtara usoro mgbakwụnye ụtọ asụsụ na mmebe okwu. A na-agbakwụnye nganihu "ụmụ", "nwangele", "Imo" iji gosi ọnụ ọgụ, onwunwe ma ọ bụ pesịn dị ka o si dị na data dị n'elu. Ogo nke atọ bụ ihe mere e ji gụọ ebe aha dị ka o si dị na data nọ n'elu site n'enyemaka nganihu mgbakwụnye ụtọ asụsụ "nwangele" iji gosi na ime obodo ndị a nwere obere mmiri ebe 'Imo' bụ osimiri dị n'obodo atọ nke na o nweghi obodo ga-asị na ọ bụ ha nwe 'Imo' na-ebughi uzọ kwuo obodo ebe ọ dị.

**Myịabụọ**

Myịabụọ bụ usoro nkwunwo mgbe ụdịdị nganihu/nsonazụ na-enwe agwara fọnọlọji isi mkpụrụ okwu. N'aha ebe Owerre-Ezukala, o doro anya na e nwere nkwunwotu na nkwunwozu nke isi mkpụrụ okwu.

| Ọ/N | Aha ebe | Ntụcha mọfọlọji | Bekee | Nkọwa n'Igbo izugbe |
|---|---|---|---|---|
| 1 | Òtápámpám | Òtá + pám + pám | Coming otu + slow+slow | Mmiri na-asọ nwayọ nwayọ |
| 2. | syáyá | s + yá + yá | Rushing otu + noise+ noise | Mmiri na-eme mkpọtụ |
| 3. | sgwòdógwò | s+gwò+dó+ gwò | Rushing otu+speed+speed | Mmiri na-asọsi ike |
| 4 | Ìshsh | Ìsh + sh | Head + head | Onye kachasị mee okenye |

Ogo nke mbụ: E nwere ihe mgba ama na e nwere ike ikewa data nọ n'elu n'ụzọ atọ ma ọ bụ anọ. Mmebere kelingwistiiks nke bụ ogo nke abụọ nwere agwara myiabụọ n'isi ụfọdụ mkpụrụ okwu. Ogo nke atọ na-ekwu na aha ebe ndị a sitere n'onọdụ/ụdịdị ebe ahụ; ọmụma atụ, "ọtapampam" bụ osimiri na-asọ nwayọ nwayọ, "ọsọngwodongwo" bụ osimiri na-asọsi ike ebe "ọsụyaya" na-eme oke mkpọtụ.

## Ntụcha keusoro okwu

Ọdịdị/ndokọ olu ndị Owerre-Ezukala Igbo bụ isi ahịrị + ngwaa + nnara. Data e nwetere gosiri na ụfọdụ ebe bụ ahịrị okwu zuru ezu. Ụfodụ bụ nke nkwusa, njụ ajụjụ ma ọ bụ ntimiwu n'ọdịdị.

Ogo nke mbụ: e nwere mmebere atọ ma ọ bụ anọ na data nọ n'elu. Ogo nke abụọ na-egosi na e nwere ụfọdụ aha ebe bụ ahịrị okwu zuru oke nke gunyere nkwusa, njụ ajụjụ, ma ọ bụ

| Ọ/N | Aha | Ndokọ | Udịrị ahịrị okwu |
|---|---|---|---|
| 1 | Òbùlòzù (o bi n'ubi) | Ò bù ló òzù<br>A(Isi ahịrị) (ngwaa) aha (Nn) | Nkwusa |
| 2 | Òbùnàg<br>O bi n'agụ | Ò bù nà ág<br>A(isi ahịrị) ngwaa aha(Nn) | Nkwusa |
| 3 | Ògbánélū<br>O si n'elu agba | Ògbá n'élū<br>Ngwaa aha | Ntimiwu |
| 4 | Úmùèrúm<br>Ụmụ eruola m? | Úmù èrú mu<br>A(isi ahịrị) ngwaa nnọchi aha | Njụ ajụjụ |

ntimiwu n'ọdịdị. Ogo nke atọ: ihe kpatara e ji gụọ aha nọkwa na nghọta ha. "Obulozu" bụ ndị ha ụmụnna ha ebiketeghi n'ihi na ha biketere ugbo ha nso. Ebe "Ọgbanelu" bụ mmiri na-esi n'elu awụdata dị ka aha ya siri dị.

## Nchịkọta na mmechi

Nchọcha a tụchara aha ebe n'olu ndị Owerre-Ezukala Igbo site n'akụkụ mmebemusoro nke gbadoro ụkwụ n'atụmatụ Tent & Blair (2011). E si n'ụzọ praịmarị na sekọndịrị nweta data ndị e ji rụọ orụ na nchọcha. Mmebere na-apụta ihe n'olu ndị Owerre-Ezukala Igbo so n'ọtutụ nkeji asụsụ dị ka aha, nkọwa aha na mbu ụzọ. Ntụcha kemmebe okwu gosiri na aha ebe ndị a siteren'okwu nha, ntinye nganihu ma ọ bụ myịabụọ. Nchọcha a chọpụtakwara na aha ebe ndị dị n'olu ndị Owerre-Ezukala Igbo n'ogo ahịrị okwu nwere ike ịrụ ọrụ dị ka nkwusa, njụ ajụjụ, ma ọ bụ ntimiwu. Aha ebe ndị a nwekwara ndokọ mfe.

Na nchịkọta, mmadụ nwere ike iji agụmagụ ọnụ na ihe mgbe ochie dị ka ụzọ e si amata akụkọ ala, ma ụzọ ọzọ e nwere ike ịmata nke a bụ site na ntụcha kelingwistiiks dị ka o si metụta aha ebe. Ọrụ a mepeere nchọcha a ga-eme n'ọdịnihu uzọ ilebanye anya n'aha ebe Owerre-Ezukala n'ihi na ndị ọchọcha kwenyere na e nwere akụkụ ndị ọzọ nek olu ndị a e kwesiri ilebnaye anya na ha ma detuo n'akwụkwọ.

## Nrụmaka

Agbo, M.S. (2014). Causativity in Igbo personal names. *Journal of universal language* 15 (2),1-33.

Baker, R. & Carmony, M. (1975). *Indiana place names.* Bloomington; Indian University Press.

Cano, L.R. (2008). *Toponymic analysis of lienzos*. Mixtechlowlands: Oaxaca.

Cresswell, T. (2004). *Place: a short introduction*. Melbourne: Blackwell.

Ekejiuba, G. U. (1995). Suprasegmental of Owerre-Ezukala dialect of Igbo and English: A constrastive analysis. BA project. University ofNigeria, Nsukka.

Glaser, R. (1998). Australian toponym in the light of socio-onomastics. Nicolaisen, W.F.H.(ed) *Scope, perspectives and methods of Onomastis*, 2. Aberdeen: University of Aberdeen133-140.

Iwudu, M.C. (1994). Name and naming: a theoretical overview. *The muse: literary Journal of the English association at Nsukka*. (24), Enugu: Magnet Sunrise.

Klugah, M.A. (2013). Recounting history through linguistics: A toponymic analysis of Asogli migration narratives. *African journal of history and culture* 5, 151 – 159

Maduagwu, G.O. (2009). Igbo personal names: A morpho-semantic study language matters. *Studies in the languages of African,* 41(2), 315-324.

Okoye, C.L. (2013). Igbo and Chinese personal names: A socio-semantic analysis. Ph.D Seminar Paper, Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, Univeersity of Nigeria, Nsukka

Owu-Ewie, C.(2014), A morphosyntactic analysis of some Fante habitation names (econym). *International journal of humanities and social studies* 2, 232-243.

Radding, L. & Western, J. (2010). What's in a name? Linguistics, geography and toponyms. *Geographical review, American geographical society.* New York. 394-412

Smith, G. (1996). American place name: a typology based on naming and form. *Onomastica Canadiana* 78, 53-54.

Spencer, A. (1991). *Morphological theory*. Oxford: Basil Blackwell.

Stewart, G.R. (1975). *Names on the globe.* New York: Oxford University Press.

Tent, J. & Slatyer, H. (2009). Naming places on the sotuh land: European place – naming Practices from 1606 to 1803. *Australian historical studies*. 40; (1):5-31.

Tent, T. & Blair, D. (2011). Motivations in naming the development of a toponymic typology for Australian place names. *Names* 59: 67-87.

Udoye, I. & Ofoegbu, C. (2011). A morphological analysis of Awka personal names. *Journal of arts and contemporary studies,* 3: 85-89.